Mmetụta Gburugburu Na Mmeta Nke Ọma Ụmụakwụkwọ N'ọmụmụ Asụsụ Igbo Na Mahadum Naijiria, Nsụka

By

[1]Ezinne Blessing Kanu
Department of Arts Education
University of Nigeria, Nsukka
Phone: 07062121134
Email:ezinne.kanu.191564@unn.edu.ng

[2]Uchenna Fabian Ude Ph.D.
Department of Arts Education
University of Nigeria, Nsukka
Phone: 08064231662
Email:uchenna.ude@unn.edu.ng

[3]Magnus A. Aniago Ph.D.
Department of Institute and African Studies,
University of Nigeria, Nsukka
e-mail: magnus.aniago@unn.edu.ng.
Phone: 07064977068

Ụmị Edemede

Nchọcha a gbadoro ụkwụ n'ịchọpụta mmetụta gburugburu na mmeta nke ọma ụụọịnmụakwụkwọ n'ọmụmụ asụsụ Igbo na Mahadum Naijiria, Nsụka. Mbunuche nchọcha a bụ ịchọpụta ka asụsụ Bekee, laabụ asụsụ, ịntaneetị na ọba akwụkwọ si emetụta mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ asụsụ Igbo. Ebe a nọ mee nchọcha bụ na Mahadum Naijiria, Nsụka. ụmụakwụkwọ ndị nọ na Ngalaba Lingwistiks, Igbo na Asụsụ Naijiria ndị ọzọ na ụmụakwụkwọ ndị nọ na Ngalaba Mmụta Nka bụ ndị e ji mee nchọcha. ọnụọgụ ụmụakwụkwọ ndị a dị narị abụọ na iri ise na atọ ebe ndị a họọrọ e ji mee nchọcha dị iri isii. Usoro nchọcha a gbasoro bụ usoro sọvee nkọwa ebe usoro nhazi ihe a chọpụtara bụ ntụcha nke e ji miin na ndịpuniizugbe tụchaa. Nchọpụta na-egosi na asụsụ Bekee anaghị emetụta mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ;laabụ asụsụ na-emetụta mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ; ịntaneetị na-emetụta mmeta nke ọma

ụmụakwụkwọ; ọba akwụkwọ na-emetụta mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ asụsụ Igbo. Ndị nchọcha nyere atụmatụ ọma ga-enye aka ime ka ụmụakwụkwọ mee nke ọma n'ọmụmụ asụsụ Igbo na Mahadum Naijiriạ, Nsụka. Nchọpụta e nwetara na nchọcha a ga-akwalite ọmụmụ asụsụ Igbo na mahadum Naịjiriạ ndị ọzọ ebe a na-eme nkụzi na ọmụmụ asụsụ Igbo.

Okwu ndị pụtakarịcharịa: gburugburu, mmeta nke ọma, ọmụmụ, asụsụ, Igbo

Mkpọlite

Asụsụ bụ okwu e kwuru n'ọnụ maọbụ nke e dere ede nwere nghọta bụ nke a na-esite na ya egosipụta ihe mmadụ bu n'obi nakwa iji zipụta mmekọrịta mmadụ na ibe ya. Ọ bụ asụsụ ka mmadụ ji akọwa onwe ya nakwa ebumnobi ya. Ụmụanụmanụ dịka; ewu, ọkụkọ na nkịta enweghị asụsụ kama ha nwere ụzọ dị iche iche ha ji eziịta onwe ha ozi. Ụfọdụ na-ezipụta nke a site n'ibe akwa maọbụ ime mkpọtụ maọbụ imegharị ahụ. Mana a bịa n'ebe mmadụ nọ, ọ bụ asụsụ ka ọ ga-eji mee ka mmadụ ibe ya ghọta ihe ọ na-ekwu. Ọtụtụ ndị ọkammụta akọwaala asụsụ n'ụzọ dị iche iche. Agbedo (2003) kwadoro na asụsụ bụ otu ụzọ obodo maọbụ mba si akọwapụtara mba ọzọ maka ọdịnaala, omenaala, nkwenye, okpukperechi na nsirihụ ụwa ha. Ya bụ na ọ bụ asụsụ ka mba ji akọwapụtara mba ọzọ usoro obibi ndụ ha, nkwenye ha na ihe ndị ọzọ gbasara ha. Okafor (2008) kọwakwara asụsụ dịka ụda mmadụ na-eji ọnụ emepụta, nke mmadụ na ibe ya ji ekwu okwu ma na-agwa ibe ya ihe ọ chọrọ ka ọ mata. Asụsụ dịka ụda sitere n'ọnụ mmadụ nwere nghọta mgbe ọgan okwu dị iche iche megharịrị ahụ n'ụzọ dị iche iche maọbụ bịakọta ọnụ ka ịsụ asụsụ dị ire. Ọgan okwu pụtara mpaghara ahụ ndị na-enyere mmadụ aka tupu mmadụ enwe ike ikwupụta okwu. Mpaghara ahụ ndị a gụnyere: egbugbere ọnụ, ire, anyụrụ, akpo, ọdụ akpo, dgz. Ọ bụ site na mmegharị na mmetụta akụkụ ahụ ndị a dị iche iche ka e ji enwe ike ịsụpụta asụsụ. Opara (2016) gara n'ihu ịkọwa na asụsụ bụ ụgbọ na-ebugharị omenaala, nke bụ ụzọ ndị mmadụ si ezipụta ma na-echekwaba omenala ha. Obodo na-ezipụtakarị omenala ha site n'asụsụ e ji mara ha.

Agbụrụ dị iche iche n'elu ụwa nwere asụsụ nke ha na-asụ ma na-aghọtakwa. Eze na Eze (2008) kọwara na e nwere asụsụ dị iche iche n'ụwa niile gbaa gburugburu. Ndị ọcha nwere asụsụ ha, ebe ndị isi ojii nwere asụsụ eji mara ha. Asụsụ ndị a

niile n'agbanyeghị maọbụ nke ndị isi ojii maọbụ nke ndị ọcha nwere ọrụ ọ na-arụrụ ndị nwe ya. Asụsụ niile bara uru; o nweghị asụsụ dị obere maọbụ asụsụ ka ibe ya. Ụfọdụ asụsụ e nwere n'ụwa gụnyere: Latin, French, German, Spanish, English na Swahili. Na Naịjirịa, e nwere asụsụ dị iche iche nke gụnyere: Hausa, Igbo, Efik, Yoruba, Idoma, Tiv na Nupe. N'ime asụsụ niile e nwere na Naịjirịa, ọ bụ Hausa, Igbo na Yoruba kacha pụta ihe nke National Policy on Education nabatara ka a na-amụ n'ụlọakwụkwọ. N'ihi uru asụsụ bara n'amụmamụ na nchekwa omenala, National Policy on Education (2004) na-akwado ka a na-akụzi asụsụ Naịjirịa ndị a kacha pụta ihe n'ụlọakwụkwọ.

Asụsụ Igbo bụ asụsụ a na-asụ n'ala Igbo kpọmkwem. Ndị na-asụkarị asụsụ a bụ ndị Igbo ndị nọ na steeti Abịa, Anambra, Ebonyi, Enugu na Imo. A na-ahụkwa ndị Igbo na steeti Delta, Akwa Ibom na Rivers. Asụsụ Igbo bụ asụsụ nọ n'ezinaụlọ 'Kwa' nke bụ nkewapụta si n'ezinaụlọ Niger-Congo. Ọnụọgụ ndị na-asụ asụsụ Igbo dịka Wikipedia (2016) si kọwaa bụ ihe ruru nde mmadụ iri atọ na abụọ. Asụsụ Igbo bụ asụsụ nwere olu nke nwere olundị dị iche iche a na-asụpụtakwa n'ime ya. ọ bụ ya ka ndị bụ ndị Igbo ji egosipụta mmekọrịta n'etiti onwe ha nakwa mkparịtaụka. Asụsụ Igbo na-enye aka n'ịkwalite nghọta na nchekwa omenala.

Ọmụmụ asụsụ Igbo ewerela ọnọdụ dị iche n'ụlọakwụkwọ n'oge ugbu a, ebe a na-eji ya eme nchọcha dị iche iche. Na mahadum, a na-agụ asụsụ Igbo ma na-ejikwa ya eme nchọcha site na digrii nke mbụ ruo n'ogo ịbụ ọkammụta n'asụsụ Igbo (Ph.D). N'agbanyeghị na e ji asụsụ Igbo eme nchọcha n'oge ugbu a na mahadum ala anyị dị iche iche, o nwere ụfọdụ ihe na-emetụta mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ asụsụ Igbo na mahadum nke otu n'ime ya bụ gburugburu.

Gburugburu bụ ebe mmadụ hụtara onwe ya n'ime ya, nke nwere ike ịbụ ebe obibi maọbụ ebe ndị ọ ga-enweta ihe ndị ga-abara ya uru n'ọdịniihu (Obiano, 2008). Gburugburu mmadụ nwere ike ịbụ ezinaụlọ, ụlọakwụkwọ, ụlọọrụ na ụlọ ahịa. Gburugburu dị oke mkpa n'ọmụmụ asụsụ n'ihi na gburugburu mbụ nwatakịrị bụ ezinaụlọ ya, ebe nkụzi ọmụmụ asụsụ ya na-amalite. Nke a bụ n'ihi na ọ bụ nne, nna na ụmụnne ga-abụ ndị mbụ ha na nwatakịrị ga-enwe mmekọrịta tupu o nwee mmekọrịta ya na ndị agbataobi na ndị nkụzi. Nke a mere Omego (2014) jiri kọwaa na gburugburu gụnyere nne na nna, ndị nkụzi na otu ọgbọ. O nwere ike

ịbụ ebe nwatakịrị hụtara onwe ya ma na-enwe mmekọrịta ya na ndị ọzọ. Mmekọrịta naadị n'etiti nwatakịrị na ihe ndị gbara ya gburugburu ga-emetụta etu ọ ga-esi enwe ịhụnanya, mmasị, afọ ojuju na ịkpọ asị n'ebe asụsụ ya nọ. Ndị nne na nna ụfọdụ anaghị asụrụ ụmụ ha asụsụ Igbo ma ya fọdụ ịkwado ha ịmụ ya na mahadum. Nke a bụ n'ihi na ha hụtara asụsụ Igbo dịka mmụta dị nta nakwa ihe abaghị uru ịmụ na mahadum. Ha na-eche na onye na-amụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ na-etufu oge ya.

N'ogo mahadum, o nwere ihe ndị nọ na gburugburu nwere ike na-emetụta ọmụmụ asụsụ Igbo nke gụnyere: Asụsụ Bekee, ọba akwụkwọ, ngwa nkụzi dịka; laabụ asụsụ na kọmputa. Na mahadum, ndị nkụzi ụfọdụ na-agwakọrịtakwa asụsụ Bekee na asụsụ Igbo ọnụ na nkụzi na ọmụmụ asụsụ Igbo. Nke a mere Nwadike (2002) jiri kọwaa na otu nsogbu pụtara ihe ebe asụsụ Igbo nọ bụ na ndị Igbo na-achọ iji asụsụ Bekee akọwapụta onwe ha karịa asụsụ Igbo. Ha chọrọ ịsụ asụsụ Bekee ka ndị ọcha ma ha chefuru na onweghị otu ha ga-esi asụ Bekee dịka ndị ọcha. Asonye (2013) kọwara na ọtụtụ ndị Igbo ndị gụrụ akwụkwọ na ndị agụghị akwụkwọ na-asụzi asụsụ Bekee otu ike kwere ha, ma ndị maara asụ ma ndị amaghị. ịsụ asụsụ Bekee adịzie ka o nwere onyinye a na-enye onye ọbụla sụrụ ya. Enweghị mmasị ebe asụsụ ha nọ pụtakwara ihe n'otu ha si nabata asụsụ ndị Naịjirịa ndị ọzọ karịa nke ha. Ikekeonwu na Nwadike (2002) kọwara na ndị Igbo na-egosipụta enweghị mmasị n'ebe asụsụ ha nọ site n'ịdị uchu n'ọmụmụ asụsụ ndị obodo ọzọ nakwa iji ya akpaịtaụka n'obodo ahụ ha hụtara onwe ha, mana ha lọta ala Igbo, asụsụ bekee abụrụ asụsụ ka ha mma ịsụ. Onye Igbo ibe ha sụọrọ ha asụsụ Igbo, ha azaghachị ya na Bekee.

Olu asụsụ ndị ọzọ a na-asụ na gburugburu ụmụakwụkwọ dịka Bekee, Pidgin nwere ike na-emetụta ọmụmụ asụsụ Igbo. Asonye (2013) kọwara na ọtụtụ ndị Igbo ndị bi na Naịjirịa nakwa obodo ndị ọzọ na-achọ ka ụmụ ha na-asụ asụsụ Bekee karịa ịsụ Igbo. Mgbe a na-asụrụ nwatakịrị olu asụsụ ndị ọzọ abụghị asụsụ epum ya, ọ na-eme ka nwatakịrị nwee mmasị n'asụsụ ndị ahụ karịa asụsụ epum ya tụmadị ịmụ ihe ọmụmụ ya na mahadum. Ngwakọrịta olu asụsụ ọzọ na asụsụ Igbo nke nwere ike isite n'aka ndị nkụzi maọbụ ụmụakwụkwọ nwere ike na-emetụtakwa ọmụmụ asụsụ Igbo.

Ngwa nkụzi bụ otu ihe ọzọ dị na gburugburu ụmụakwụkwọ nwere ike na-emetụta ọmụmụ asụsụ Igbo na mahadum. Onwuka (2012) chọpụtara na ndị nkụzi ụfọdụ anaghị eji ngwa nkụzi akụzi asụsụ Igbo. Ndị nkụzi ụfọdụ anaghị eji ngwa nkụzi dabara adaba akụzi asụsụ Igbo. Nke a bụ n'ihi na ụlọakwụkwọ anaghị enye aka iwepụta ngwa nkụzi zuru oke gaenye aka n'ọmụmụ asụsụ Igbo. Akwụkwọ ọgụgụ e ji akụzi asụsụ Igbo adịghị ọtụtụ n'ọba akwụkwọ. ụmụakwụkwọ na-enwekwa nsogbu n'ime ihe omume e nyere ha mee n'asụsụ Igbo n'ihi ụkọ akwụkwọ ọgụgụ n'ọba akwụkwọ. N'otu aka ahụ, anaghị ahụ edemede e dere n'asụsụ Igbo ebe ọ dị ọtụtụ n'ịntaneetị. Laabụ asụsụ ga-enyere ndị nkụzi aka ịkụzi asụsụ Igbo anaghị arụ ọrụ. Mgbe ụfọdụ, ọ bụrụ na laabụ asụsụ na-arụ ọrụ, ọkụ latrik agaghị adị. Nke a na-emetụta mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ ebe ọ dị ukwuu.

Mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ n'ihe ọmụmụ ọbụla nwere njikọrọ ya na gburugburu ha. A na-atụ anya n'amụmamụ ọbụla, na a ga-enwe mmeta nke ọma ụmụakụkwọ. ọ bụ ikike nwata nwere ịmụta, icheta nakwa inwe ike jiri amamiihe o nwetara n'ihe ọmụmụ kparịta ụka site n'okwu ọnụ maọbụ ederede.

Mmeta nke ọma dịka Scortt (2012) siri kọwaa na-arụtụ aka n'ụzọ ka mma nwata ga-esi enweta ihe a tụrụ anya n'aka ya n'agụmakwụkwọ. ọ bụ site n'inwe mkpebi na ịgbasi mbọ ike ka nwata akwụkwọ ga-esi nweta ihe ndị a. Ndị nchọcha na-eche na ihe nọ na gburugburu na-emetụta mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ asụsụ Igbo ọkacha na mahadum Naịjirịa. Ụfọdụ ihe ndị na-egbochi mmeta nke ọma n'ọmụmụ asụsụ Igbo gụnyere: enweghị ọtụtụ akwụkwọ ọgụgụ e dere n'asụsụ Igbo n'ọba akwụkwọ, edemede e dere n'asụsụ Igbo adịghị ọtụtụ n'ịntaneetị, enweghị laabụ asụsụ na-arụ ọrụ, iji asụsụ bekee akụzi asụsụ Igbo, enweghị mmasị ebe ụmụakwụkwọ. Na mgbakwunye, ụmụakwụkwọ ụfọdụ enwetaghị ezi nkwado ịmụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị n'aka nne na nna maọbụ ndị nkụzi.

Nsogbu Nchọcha

Mmeta nke ọma n'ọmụmụ asụsụ Igbo na mahadum nwere ihe ndị nọ na gburugburu ụmụakwụkwọ nwere ike imetụta ya. Iji asụsụ Bekee akụzi asụsụ Igbo nakwa ịgwakọrịta asụsụ Bekee na asụsụ Igbo oge a na-enwe ihe ọmụmụ asụsụ Igbo so n'otu ihe na-emetụta etu ụmụakwụkwọ ga-esi mee nke ọma n'asụsụ Igbo na Mahadum Naijirịa, Nsụka.

N'aka nke ọzọ, ọtụtụ ụmụakwụkwọ na-agụ asụsụ Igbo na mahadum na-enwe nsogbu n'ihe gbasara ọmụmụ asụsụ Igbo n'ihi ngwa nkụzi ndị e ji amụ asụsụ Igbo dịka akwụkwọ ọgụgụ adịghị ọtụtụ n'ọba akwụkwọ. Ohere ga-abatakwa ọtụtụ ụmụakwụkwọ n'otu oge ịnọ gụọ akwụkwọ maọbụ mee nchọcha n'ọba akwụkwọ adịghị.

Ọzọkwa bụ na laabụ asụsụ ebe ụmụakwụkwọ nwere ike ịnọ mụọ asụsụ Igbo nke ọma adịghị. Nke a mere mkpọpụta ụda na mkpụrụokwu Igbo ụfọdụ ka na-enye ụmụakwụkwọ nsogbu. Ọ bụghị naanị nke a, ịchọ ihe e dere n'asụsụ Igbo n'ịntaneetị na-esiri ụmụakwụkwọ ike n'ihi na ọtụtụ enweghị kọmputa na ego ha ga-eji nweta ịntaneetị. Ọ bụ nsogbu ndị a mere ndị nchọcha ji wee leba anya na mmetụta gburugburu na mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ asụsụ Igbo na Mahadum Naijiriịa, Nsụka.

Mbunuche Nchọcha

Mbunuche izugbe nchọcha a bụ ịchọpụta mmetụta gburugburu na mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ asụsụ Igbo na Mahadum Naijiriịa, Nsụka.
Nchọcha a lebakwara anya n'ihe ndị a:

1. ịchọpụta ka asụsụ Bekee si emetụta mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ asụsụ
   Igbo na Mahadum Naijiriịa, Nsụka;
2. ịchọpụta ka laabụ asụsụ si emetụta mmeta nke ọma n'ọmụmụ asụsụ Igbo;
3. ịchọpụta ka ịntaneetị si emetụta mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ asụsụ Igbo; na
4. ịchọpụta ka ọba akwụkwọ si emetụta mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ asụsụ Igbo.

Uru Nchọcha

Ọ bụ ebumnobi ndị nchọcha na nchọcha a ga-aba uru n'ụzọ dị iche iche. Ndị nchọcha a ga-abara uru gụnyere: Ndị nkụzi, ndị nne na nna, ndị gọọmentị, ndị nchọcha ọdịniihu, ọkachasị ụmụakwụkwọ na-agụ asụsụ Igbo.

Nchọcha a ga-abara ụmụakwụkwọ na-agụ asụsụ Igbo uru ebe ọ dị ukwuu. Site n'ihe a ga-achọpụta, a ga-amata ụzọ a ga-esi nyere ụmụakwụkwọ aka ịmụ asụsụ

Igbo nke ọma na mahadum. Nke a ga-enye aka ime ka ha nwee ịhụnanya na afọ ojuju ebe asụsụ Igbo nọ.

N'ebe ndị nne na nna nọ, nchọcha a ga-eme ka ha mata mkpa ọ dị iji asụsụ Igbo zụlite ụmụaka ha karịa iji asụsụ bekee, n'ihi na ọ bụ ụmụ ha ga-eji asụsụ Igbo too mgbe ha anọghịzi ndụ. ọ ga-enye aka ịkwalite omenala, n'ihi na ọ bụ asụsụ na-ebu omenala aga. ọ ga-enyekwa aka ime ka ha nye ụmụ ha ezi nkwado gbasara ide asụsụ Igbo n'ule WAEC na NECO, nke ga-enyere ha aka ịgụ asụsụ Igbo na mahadum.

Nchọcha a ga-enyere ndị nkụzi asụsụ Igbo aka ịchọpụta ụzọ kacha mma e nwere ike isi kụzie asụsụ Igbo na mahadum. ọ ga-emekwa ka ha mata mkpa ọ dị iji kọmputa na akọrọngwa dị na laabụ asụsụ akụzi ihe na klasị tinyekwara ezigbo nka nkụzi.

Nchọcha a ga-enye aka ime ka ndị isi mahadum Naịjirịa mata etu ha ga-esi akwado ọmụmụ asụsụ Igbo. Nkwado dị etu a nwere ike metụta iwube laabụ asụsụ nwere ezigbo akọrọngwa na-arụ ọrụ, inye onyinye dị iche iche ga-akwalite mmụọ ndị nkụzi na ndị ọkammụta asụsụ Igbo ide akwụkwọ ọgụgụ Igbo ndị a ga-etinye n'ọba akwụkwọ. Ha ga-ahụ mkpa ọ dị ịrụpụta ọba akwụkwọ buru ibu ga-abata ụmụakwụkwọ otu oge ime nchọcha.

Nchọcha a ga-enye aka mee ka gọọmentị na-akwado ọgbakọ na nzukọ nke ga-emetụta ndị ọkammụta n'asụsụ Igbo na ụmụakwụkwọ, iji gbaa ha ume, ma gwakwa ha uru na mkpa ọ dị ịgụ asụsụ Igbo na mahadum. Site n'ọgbakọ ndị dị otu a, ụmụakwụkwọ ga-achọpụta na e nwere ndị ọkammụta Igbo ndị ji asụsụ Igbo bụrụ ihe ha bụ taa.

Oke Nchọcha

Nchọcha a gbadoro ụkwụ n'ileba anya na mmetụta gburugburu n'ọmụmụ asụsụ Igbo na Mahadum Naịjirịa, Nsụka, ọkacha n'ebe ụmụakwụkwọ na-agụ asụsụ Igbo nọ. Ihe ndị e lebara anya dị na gburugburu mahadum Naịjirịa na-emetụta mmeta nke ọma n'ọmụmụ asụsụ Igbo gụnyere: Asụsụ Bekee, laabụ asụsụ, ịntaneetị na ọba akwụkwọ. Ebe e medebere nchọcha a bụ na Mahadum Naijirịa, Nsụka, Steeti Enugwu.

Ajụjụ Nchọcha

Ajụjụ ndị a bụ ndị a gbadoro ụkwụ mee nchọcha a:

1. Kedụ ka asụsụ Bekeesi emetụta mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ asụsụ Igbo na Mahadum Naịjirịa, Nsụka?
2. Olee etu laabụ asụsụ si emetụta mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ asụsụ Igbo na Mahadum Naịjirịa, Nsụka?
3. Kedụ ka ịntaneetị si emetụta mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ asụsụ Igbo na Mahadum Naịjirịa, Nsụka?
4. Olee etu ọba akwụkwọ si emetụta mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ asụsụ Igbo na Mahadum Naịjirịa, Nsụka?

Atụtụ Njiarụọrụ

Atụtụ Gburugburu

Onye tụpụtara atụtụ a bụ B. F. Skinner n'afọ 1957. Atụtụ a na-akọwa na o nweghị ihe ọbụla Chineke kere tinye n'ime mmadụ na-enyere ya aka ịmụta asụsụ. Mmadụ ọbụla dị ka mgbo odee enweghị ihe e dere na ya tupu gburugburu ya abịa mee ka ọ mụta ihe. Ụmụaka na-amụta asụsụ site na mmekọrịta na-adị n'etiti ndị gbara ya gburugburu. ọ bụrụ na nwatakịrị ebido ikwu okwu, ndị nọ ya nso ga-enye ya ihe mkpalite mmụọ nke ga-eme ka o kwuo ya ọzọ. ọ bụ etu a ka ụmụaka si amụta asụsụ.

Na nkọwa atụtụ a, asụsụ dị ka akparamagwa a na-amụta amụta. Nkwado e nyere nwatakịrị ga-egosipụta ma ọ ga-aga n'ihu asụ asụsụ ahụ ọzọ. Atụtụ a dị mkpa na nchọcha maka na ọ bụ ndị gbara nwatakịrị gburugburu ga-emetụta asụsụ nwata ahụ ga-asụ. Asụsụ a na-asụ na gburugburu ga-emetụta ọmụmụ asụsụ Igbo nwata.

Nchọcha A Hụrụ Anya/Nchọcha Ndị ọzọ Merela

Nchọcha Ishiwu na Ugwuanyi (2016) mere lebara anya na mmetụta gburugburu ụmụakwụkwọ na-emetụta ọmụmụ Igbo izugbe n'ogo junịọ sekọndịrị na zoonu mmụta Obolo Afọ. Ha ji sọvee mee nchọcha ha. Nchọcha ha yiri nke a maka o lebara anya etu asụsụ bekee si emetụta asụsụ Igbo. Nchọcha ha dị iche na nchọcha a, maka o lebara anya n'ọmụmụ asụsụ Igbo na junịọ sekọndịrị ebe nchọcha nke a lebara anya n'ọmụmụ asụsụ Igbo na mahadum. ọzọkwa, ebe ha ji mee nchọcha bụ zoon mmụta Obolo Afọ mana ebe eji mee nchọcha nke a bụ Mahadum Naijirịa,

Nsụka. Nchọcha ha elebaghị anya na mmetụta ọba akwụkwọ n'ọmụmụ asụsụ Igbo ebe nke a lebara anya na mmetụta ọba akwụkwọ n'ọmụmụ asụsụ Igbo.

N'ime nchọcha ndịa niile atụlegharịrị, o nweghị nke lebara anya na mmetụta gburugburu na mmeta nke ọma n'ọmụmụ asụsụ Igbo na Mahadum Naijiria, Nsụka. Nchọcha ndị atụlegharịrị ebe a riri mperi n'ihi na o nweghị ka ha si gosipụta etu laabụ asụsụ, ọba akwụkwọ na ịntaneetị si emetụta ọmụmụ asụsụ Igbo. ọ bụ mperi ndị a kpalitere mmụọ ndị nchọcha,ịchọpụta etu gburugburu si emetụta mmeta nke ọma ụmụakwụkwọn'ọmụmụ asụsụ Igbo na Mahadum Naịjiria, Nsụka.

Agbo, Eze na Agbo (2015) mere nchọcha etu gburugburu si emetụta ọmụmụ asụsụ Igbo n'ebe ụmụakwụkwọ nọ n'ogo sekọndịrị nta n'okpuru ọchịchị Udenu dị n'Enugwu Steeti. Ha ji sọvee mee nchọcha ha. Ha ji usoro nsere wepụta ụlọakwụkwọ ise n'ime ụlọakwụkwọ iri na isii. Ha ji usoro nsere họpụta ụfọdụ ụmụakwụkwọ na ndị nkụzi ha ji mee nchọcha. ụmụakwụkwọ na ndị nkụzi ha ji mee nchọcha dị iri. Nchọcha ha rụtụrụ aka etu ngwa nkụzi si emetụta ọmụmụ asụsụ Igbo. Nchọcha ha yitere nke a maka nchọcha a lebara anya etu ngwa nkụzi si emetụta ọmụmụ asụsụ Igbo na mahadum. ọ dị iche na nchọcha nke a maka nchọcha ha elebaghị anya etu laabụ asụsụ si emetụta ọmụmụ asụsụ Igbo. Ihe ọzọ dịkwa iche bụ na nchọcha nke ha bụ na sekọndịrị ebe nchọcha nke e ji n'aka bụ na mahadum.

Nchọcha Chidume na Omelu (2015) lebara anya na nsogbu ọmụmụ asụsụ Igbo na Mahadum Naijiria kamgbe afọ ise gara aga. Ha ji sọvee mee nchọcha ha. Ndị e ji mee nchọcha bụ ụmụakwụkwọ na-eme ihe ọmụmụ asụsụ Igbo na Mahadum Naijiria na ndị nkụzi asụsụ Igbo. Ụmụakwụkwọ dị otu narị na iri itoolu (190) ebe ndị nkuzi dị iri abụọ (20). Nchọcha a yitere nchọcha a, maka na o lebara anya na mmetụta ngwa nkụzi n'ọmụmụ asụsụ Igbo. ọzọkwa, ebe e ji mee nchọcha bụ na mahadum Naijiria. Nchọcha ha dị iche na nke a maka na o lebara anya na mmetụta olundị na-emetụta ọmụmụ asụsụ Igbo ebe nchọcha a naeleba anya na mmetụta asụsụ bekee n'ọmụmụ asụsụ Igbo.

Ugwu na Eze (2006) mere nchọcha etu gburugburu si emetụta ọmụmụ asụsụ Igbo, n'ebe nwatakịrị nọ n'okpuru ọchịchị Udenu dị n'Enugwu Steeti. Na nchọcha ha,

ha ji usoro nhọrọ nsere wee họpụta ụlọakwụkwọ iri n'ime iri atọ. N'ime ụlọakwụkwọ iri ha họpụtara, ụmụakwụkwọ dị narị atọ (300) ka ha ji mee nchọcha. Ha chọpụtara na mmekọrịta nwatakịrị na naanị ụmụaka ibe ya na-ebute ndọghachị azụ n'ọmụmụ asụsụ Igbo n'ebe ụmụaka nọ. ịsụrụ ụmụaka olu asụsụ abụọ n'ebe ọmụmụ asụsụ nọ tụmadị n'oge mmalite asụsụ ya na-ebute mgbagwojuanya nke na-eme ka ha na-agwakọta olu asụsụ abụọ ahụ, tinyekwara na o nweghị nke ha ga-anụta nke ọma. Nchọcha a yitere nchọcha nke a n'ihi na ọ rụtụrụ aka etu olu asụsụ a na-asụ na gburugburu si emetụta ọmụmụ asụsụ Igbo. ọ dị iche na nchọcha nke a n'ihi na ọ rụtụghị aka etu ịntaneetị si emetụta ọmụmụ asụsụ Igbo. Ihe ọzọ dị iche bụ na ha ji ụlọakwụkwọ sekọndịrị mee nchọcha ha ebe nke a ji mahadum mere ebe nchọcha.

Usoro Nchọcha

A gbasoro usoro sọvee nkọwa mee nchọcha a. Nworgu (2015) kọwara sọvee nchọcha dịka ịchọpụta ihe mmadụ bu n'uche, nghọta ya, echiche ya, akparamagwa ya na mmasị ya site n'iji ajụ aza mee nchọpụta. Ihe mere onye nchọcha ji nwee mmasị n'ụdị sọvee a bụ na a na-esite na ya enweta ọsịsa ọtụtụ mmadụ dị iche iche n'otu oge, iji chọpụta ebumnobi ha gbasara ihe a chọpụtara. Ụdị nchọcha a nyeere ndị nchọcha aka ịchọpụta echiche ụmụakwụkwọ gbasara mmetụta gburugburu na mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ asụsụ Igbo na mahadum Naịjirịa dị na Nsụka.

Ebe a nọ mee nchọcha a bụ n'ụlọakwụkwọ Mahadum Naịjirịa dị na Nsụka. E nwere ọtụtụ ngalaba na mahadum Naijirịa, mana ebe onye nchọcha họọrọ iji mee nchọcha a bụ Ngalaba Lingwistiks, Igbo na Asụsụ Naijirịa ndị ọzọ na Ngalaba Mmụta Nka. Ihe ndị nchọcha ji họrọ ngalaba ndị a bụ maka na ọ bụ na ha ka a na-amụ asụsụ Igbo na Mahadum Naijirịa

Ndị e ji mee nchọcha bụ ụmụakwụkwọ nọ na Ngalaba Lingwistiks, Igbo na Asụsụ Naịjirịa ndị ọzọ na ụmụakwụkwọ nọ na Ngalaba Mmụta Nka, ndị na-amụ asụsụ Igbo. Ọnụọgụ ụmụakwụkwọ ndị a niile site n'afọ nke mbụ ruo afọ nke anọ dị narị abụọ na iri ise na atọ (253). Ebe ndị nchọcha si nweta ọnụọgụ ụmụakwụkwọ bụ site n'akwụkwọ a na-edebanye aha ụmụakwụkwọ ndị nọ na ngalaba abụọ ndị a. Pesentị mmadụ iri abụọ na anọ (24%) nke gụnyere nwoke na nwaanyị ka e ji mee nchọcha a.

Ndị nchọcha ji usoro nhọrọ nsere wee họpụta mmadụ iri isii. E nwere klasị anọ nke mejupụtara ụmụakwụkwọ ndị nọ n'agba mmụta nke mbụ ruo nke anọ. Na klasị anọ ndị a, e ji usoro ọgụ nso abụọ wee gụpụta mmadụ iri na ise na. Mmmadụ iri na ise a gụpụtara na klasị ọbụla bụ ndị mejupụtara mmadụ iri isii e ji mee nchọcha.

Ngwa nchọcha e ji mee nchọcha bụ Mmetụta Gburugburu Na Mmeta Nke ọma ụmụakwụkwọ N'ọmụmụ Asụsụ Igbo (MGNMNọụNọAI) njụmaza nke ndị nchọcha mepụtara n'onwe ha. Njụmaza ahụdị iri abụọ n'ọnụọgụ.

Ndị nchọcha weere ngwa nchọcha gakwuru mmadụ atọ ndị bụ ọkachamara na nkụzi asụsụ Igbo, nọ na Ngalaba Mmụta Nka, mahadum Naijiria, Nsụka ka ha leba ya anya ma hazie ya nke ọma iji hụ na o righị mperi n'ụzọ ọbụla. ọ bụ site na ntụziaka ndị ọkachamara a ka onye nchọcha gbakwasịrịụkwụ wee hazie ngwa nchọcha n'ụdị o kwesịrị.

Ndị nchọcha gara na ngalaba ọmụmụ asụsụ Igbo dị na mahadum nakwa ebe ndị ngalaba mmụta nka na-eme ihe ọmụmụ asụsụ Igbo nọ, wee kesaa ya bụ akwụkwọ njụmaza. Ndị nchọcha gbara mbọ hụ na ndị e ji mee nchọcha nyechara ọsịsa ha tupu ha anakọta ha akwụkwọ ederede nchọcha ndị ahụ. Ikesa na ịnakọta akwụkwọ ederede njụmaza were izuụka abụọ.

E ji miin na ndịpuniizugbe tụchaa ihe niile e nwetara na nchọcha a. ọsịsa ajụjụ ọbụla nwere miin bidoro na 2.5 gbago bụ nke a nabatara na nchọcha a ma jiri ya wee rụọ ọrụ. ọsịsa ajụjụ ọbụla na-erughị miin 2.5 bụ nke ndị nchọcha anabataghị na nchọcha a.

Nhazi Ihe A Chọpụtara

Ajụjụ nchọcha nke mbụ: Kedụ ka asụsụ Bekee si emetụta mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ asụsụ Igbo na Mahadum Naijiria, Nsụka?

Tebulu Nke Mbụ: ọsịsa miin maka mmetụta asụsụ Bekee na mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ asụsụ Igbo na Mahadum Naijiria, Nsụka.

N=60

Ọnụọgụ	Ndịna					Miin	Ndịpu n'izugbe	Mkpebi
1.	Iji asụsụ Bekee akụzi asụsụ Igbo na-eme ka ụmụakwụkwọ ghọta ihe onye nkụzi na-akụzi nke ọma.	14	12	8	26	2.23	1.24	Anabataghị
2.	{gwakọta asụsụ Bekee na asụsụ Igbo mgbe a naakụzi ihe na klasị naewepụ ihe mgbagwoju anya.	10	12	22	16	2.26	1.03	Anabataghị
3.	Iwebata asụsụ Bekee mgbe a na-amụ asụsụ Igbo naenyere ụmụakwụkwọ aka ịkọwa onwe ha nke ọma na klasị.	14	22	16	8	2.70	0.97	Nnabata
4.	Ihe ọmụmụ asụsụ Igbo a na-eji asụsụ Bekee akụzi ka atọ ụtọ karịa nke e ji asụsụ Igbo akụzi.	8	12	16	24	2.06	1.07	Anabataghị
5.	ụmụakwụkwọ nwere mmasị n'asụsụ Bekee naenwe nsogbu ịsụ na ide asụsụ Igbo nke ọma.	24	16	8	12	2.86	1.15	Nnabata
	Mgbakọtaọnụ Miin					**2.4**		

Tebulu nke mbụ na-egosi ka asụsụ Bekee si emetụta mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ asụsụ Igbo na Mahadum Naịjirịa, Nsụka. Nke a gosiri iji asụsụ Bekee akụzi asụsụ Igbo na-eme ka ụmụakwụkwọ ghọta ihe onye nkụzi na-akụzi nke ọma (2.23). ịgwakọta asụsụ Bekee na asụsụ Igbo mgbe a na-akụzi ihe na klasị na-ewepụ ihe mgbagwoju anya (2.26). Iwebata asụsụ Bekee mgbe a

na-amụ asụsụ Igbo na-enyere ụmụakwụkwọ aka ịkọwa onwe ha nke ọma na klasị (2.70). Ihe ọmụmụ asụsụ Igbo e ji asụsụ Bekee akụzi ka atọ ụtọ karịa nke e ji asụsụ Igbo akuzi (2.06). ụmụakwụkwọ nwere mmasị n'asụsụ Bekee na-enwe nsogbu ịsụ na ide asụsụ Igbo nke ọma (2.86). Aziza ndị a gosiri na asụsụ Bekee anaghị enye ezi mmetụta na mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ asụsụ Igbo na Mahadum Naijiriịa, Nsụka.

Ajụjụ nchọcha nke abụọ: Olee etu laabụ asụsụ si emetụta mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ asụsụ Igbo na Mahadum Naijiriịa, Nsụka?
Tebulu Nke Abụọ: ọsịsa miin maka mmetụta laabụ asụsụ na mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ asụsụ Igbo na Mahadum Naijiriịa, Nsụka.

Ọnụọgụ	Ndịna					Miin	Ndịpu n'izugbe	Mkpebi
6.	Laabụ asụsụ ga-eme ka ọmụmụ asụsụ Igbo dị mfe.	28	28	0	4	3.33	0.79	Nnabata
7.	Laabụ asụsụ enweghị uru ọ ga-abara ọmụmụ asụsụ Igbo.	6	4	22	28	1.80	0.95	Anabataghị
8.	Iji laabụ asụsụ amụ asụsụ Igbo ga-eme ka ụmụakwụkwọ mụta etu e si akpọpụta ụda na mkpụrụokwu nke ọma.	40	20	0	0	3.66	0.47	Nnabata
9.	Ndị nkụzi anaghị enwe ohere iji laabụ asụsụ akụzi asụsụ Igbo.	32	20	6	2	3.36	0.80	Nnabata
10.	E nwere laabụ asụsụ n'ụlọakwụkwọ anyị kama ọkụ latrik ọ ga-eji arụ ọrụ adịghị.	14	20	20	6	2.70	0.94	Nnabata
	Mgbakọtaọnụ Miin					**2.9**		

Tebulu nke abụọ na-egosi ka laabụ asụsụ si emetụta mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ asụsụ Igbo na Mahadum Naijiriịa, Nsụka. Nke a gosiri

na laabụ asụsụ ga-eme ka ọmụmụ asụsụ Igbo dị mfe (3.33). Laabụ asụsụ enweghị uru ọ ga-abara ọmụmụ asụsụ Igbo (1.8). Iji laabụ asụsụ amụ asụsụ Igbo ga-eme ka ụmụakwụkwọ mụta etu e si akpọpụta ụda na mkpụrụokwu nke ọma (3.66). Ndị nkụzi anaghị enwe ohere iji laabụ asụsụ akụzi asụsụ Igbo

(3.36). E nwere laabụ asụsụ n'ụlọakwụkwọ anyị kama ọkụ latrik ọ ga-eji arụ ọrụ adịghị (2.7).

Azịza ndị a gosiri na laabụ asụsụ ga-enye aka na mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ asụsụ Igbo ma ọ bụrụ na ndị nkụzi nwee ohere iji laabụ asụsụ akụzi asụsụ Igbo nakwa ọ bụrụ na ọkụ latrik ọ ga-eji arụ ọrụ dị.

Ajụjụ nchọcha nke atọ: Kedụ ka ịntaneti si emetụta mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ asụsụ Igbo na mahadum Naijiria, Nsụka?
Tebulu Nke Atọ: ọsịsa miin maka mmetụta ịntaneti na mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ asụsụ Igbo na Mahadum Naijiria, Nsụka.

Ọnụọgụ	Ndịna					Miin	Ndịpu n'izugbe	Mkpebi
11.	Ịntaneeti bara uru n'ọmụmụ asụsụ Igbo.	20	28	8	4	3.06	0.86	Nnabata
12.	E deela ọtụtụ ihe n'asụsụ Igbo tinye n'ịntaneeti nke ga-enye aka n'ọmụmụ asụsụ Igbo.	16	20	14	10	2.70	1.04	Nnabata
13	Ụmụakwụkwọ anaghị enwe nsogbu ime ihe omume n'asụsụ Igbo maka ha naenweta ihe e dere n'asụsụ Igbo n'ịntaneeti.	14	14	16	16	2.43	1.12	Anabataghị
14.	Ịchọta ihe e dere gbasara asụsụ Igbo n'ịntaneeti naenye nsogbu mgbe ụfọdụ maka ego a ga-eji nweta ịntaneti adịghị	24	16	18	2	3.03	0.91	Nnabata

15.	ụmụakwụkwọ ụfọdụ na-enwe nsogbu n'iji ịntaneetị chọọ ihe ga-enyere ha aka n'ọmụmụ asụsụ Igbo n'ihi na ha enweghị ọzụzụ n'ihe gbasara kọmputa.	26	14	16	4	3.03	0.99	Nnabata
	Mgbakọtaọnụ Miin					**2.8**		

Tebulu nke atọ na-egosi ka ịntaneetị si emetụta mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ asụsụ Igbo na Mahadum Naịjirịa, Nsụka. Nke gosiri na ịntaneetị bara uru n'ọmụmụ asụsụ Igbo (3.06). E deela ọtụtụ ihe n'asụsụ Igbo tinye n'ịntaneetị nke ga-enye aka n'ọmụmụ asụsụ Igbo(2.7). Ụmụakwụkwọ anaghị enwe nsogbu ime ihe omume n'asụsụ Igbo maka ha na-enweta ihe e dere n'asụsụ Igbo n'ịntaneetị (2.43). Ịchọta ihe e dere gbasara asụsụ Igbo n'ịntaneetị na-enye nsogbu mgbe ụfọdụ maka ego a ga-eji nweta ịntaneetị adịghị (3.03). ụmụakwụkwọ ụfọdụ na-enwe nsogbu n'iji ịntaneetị chọọ ihe ga-enyere ha aka n'ọmụmụ asụsụ Igbo n'ihi na ha enweghị ọzụzụ n'ihe gbasara kọmputa (3.03).

N'aziza ndị e nwetara na tebulu a dị n'elu, o gosiri na ịntaneetị na-enye aka n'ọmụmụ asụsụ Igbo kama ego ụmụakwụkwọ ga-eji nweta ịntaneetị adịghị. Ọzọkwa, ọtụtụ ụmụakwụkwọ enweghị ọzụzụ n'ihe gbasara kọmputa nke ga-enyere ha aka ịchọta ihe n'ịntaneetị.

Ajụjụ nchọcha nke anọ: Olee etu ọba akwụkwọ si emetụta mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ asụsụ Igbo na Mahadum Naịjirịa, Nsụka?
Tebulu Nke Anọ: ọsịsa miin maka mmetụta ọba akwụkwọ na mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ asụsụ Igbo na Mahadum Naịjirịa, Nsụka.

Ọnụọgụ	**Ndịna**					**Miin**	**Ndịpu n'Izugbe**	**Mkpebi**
16.	Akwụkwọ ọgụgụ e dere n'asụsụ Igbo adịghị ọtụtụ n'ọba akwụkwọ.	16	20	14	10	2.70	1.04	Nnabata
17.	Akwụkwọ ọgụgụ e ji eme ihe ọmụmụ asụsụ Igbo adịghị ọtụtụ n'ọba	10	18	20	12	2.43	0.99	Anabataghị

	akwụkwọ nke a na-ebute enweghị mmasị n'ọmụmụ asụsụ Igbo.							
18.	Inwe ọtụtụ akwụkwọ ọgụgụ n'asụsụ Igbo n'ọba akwụkwọ ga-enyere ụmụakwụkwọ aka ime nke ọma n'asụsụ Igbo.	36	18	4	2	3.46	0.76	Nnabata
19.	E nweghị ọtụtụ akwụkwọ e dere n'asụsụ Igbo n'ọba akwụkwọ maka na akwụkwọ ndị e dere n'asụsụ Igbo dị oke ọnụ.	12	12	24	12	2.40	1.02	Anabataghị
20.	Ụmụakwụkwọ na-enwe mmasị ịga mee nchọcha banyere ihe ọmụmụ asụsụ Igbo n'ọba akwụkwọ mana o nweghị ebe ga-abata ọtụtụ ụmụakwụkwọ n'otu oge.	20	16	14	10	2.76	1.09	Nnabata
	Mgbakọtaọnụ Miin					**2.7**		

Tebulu nke anọ na-egosi ka ọba akwụkwọ si emetụta mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ asụsụ Igbo na Mahadum Naịjirịa, Nsụka. Nke a gosiri na akwụkwọ ọgụgụ e dere n'asụsụ Igbo adịghị ọtụtụ n'ọba akwụkwọ (2.70). Akwụkwọ ọgụgụ e ji eme ihe ọmụmụ asụsụ Igbo adịghị ọtụtụ n'ọba akwụkwọ na-ebute enweghị mmasị n'ọmụmụ asụsụ Igbo (2.43). Inwe ọtụtụ akwụkwọ ọgụgụ n'asụsụ Igbo n'ọba akwụkwọ ga-enyere ụmụakwụkwọ aka ime nke ọma n'asụsụ Igbo (3.46). E nweghị ọtụtụ akwụkwọ e dere n'asụsụ Igbo n'ọba akwụkwọ maka na akwụkwọ ndị e dere n'asụsụ Igbo dị oke ọnụ (2.40). Ụmụakwụkwọ na-enwe mmasị ịga mee nchọcha banyere ihe ọmụmụ asụsụ Igbo n'ọba akwụkwọ mana o nweghị ebe gaabata ọtụtụ ụmụakwụkwọ n'otu oge (2.76). Nke a pụtara na ọba akwụkwọ na-enye aka n'ọmụmụ asụsụ Igbo ma ọ bụrụ na akwụkwọ ọgụgụ e dere n'asụsụ Igbo dị ọnụ ala, ọ bụrụ na akwụkwọ ọgụgụ e ji

eme ihe ọmụmụ n'asụsụ Igbo dị ọtụtụ n'ọba akwụkwọ ma nwekwa ebe ga-abata ọtụtụ ụmụakwụkwọ ịnọ mee nchọcha.

Nkata n'ihe a chọpụtara

Nchọpụta ndị nchọcha nwetara site n'ajụjụ nchọcha nke mbụ bụ na ụmụakwụkwọ ndị e ji mee nchọcha anabataghị na iji asụsụ Bekee akụzi asụsụ Igbo ga-eme ka ụmụakwụkwọ ghọta ihe onye nkụzi na-akụzi. Ha anabataghị na ịgwakọta asụsụ Bekee na asụsụ Igbo mgbe a na-akụzi asụsụ Igbo na-ewepụ ihe mgbagwoju anya. Nwadike (2002) rụtụrụ aka na otu nsogbu pụtara ihe ebe asụsụ Igbo nọ bụ na ndị Igbo na-achọ iji asụsụ Bekee akọwapụta onwe ha karịa asụsụ Igbo. Ndị nkụzi asụsụ Igbo na-eche na iji asụsụ Bekee akọwapụta onwe ha naewepụ ihe mgbagwojuanya mana nke a abụghị eziokwu.

Ndị nchọcha chọpụtara n'ajụjụ nchọcha nke abụọ site n'ọsịsa miin e nwetara na ụmụakwụkwọ anabataghị na o nweghị uru laabụ asụsụ ga-etinye n'ọmụmụ asụsụ Igbo kama ha nabatara na laabụ asụsụ ga-eme ka ụmụakwụkwọ mụta ịkpọpụta mkpụrụokwu na ụda n'asụsụ Igbo nke ọma na-enweghị ihere ma mekwaa ka ọmụmụ asụsụ Igbo dị mfe. Onwuka (2012) kwenyere n'ihe gbasara laabụ asụsụ dabara na nke a. ọ kọwara na ọmụmụ asụsụ na laabụ na-ewepụ ihere n'ebe ụmụakwụkwọ nọ, site n'inye aka ime ka ụmụakwụkwọ ndị ọzọ ghara ịma onye na-eme mkpọpụta mkpụrụụda maọbụ mkpụrụokwu mgbe a na-eme ọmụmụ asụsụ.

Ọzọ, ndị nchọcha chọpụtara n'ajụjụ nchọcha nke atọ site n'ụsa miin e nwetara na ịntaneetị bara uru n'ọmụmụ asụsụ Igbo. Ụmụakwụkwọ na-enweta ọtụtụ ihe e dere n'asụsụ Igbo n'ịntaneetị kama ego e ji enweta ịntaneetị adịghị. Ọzọkwa, ụfọdụ ụmụakwụkwọ na-enwe nsogbu iji ịntaneetị eme ihe omume e nyere ha maka na ha enweghị ọzụzụ n'ihe gbasara kọmputa. Onwuka (2012) kọwara na iwebata usoro ọhụrụ na nkuzi na ọmụmụ asụsụ Igbo ga-eme ka ndị mmadụ nwee ọnụnụ ọkụ n'obi ịgụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ nakwa iji ya eme nchọcha dị iche iche. Ha kọwakwara na inwe kọmputa e ji akụzi asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ dị iche iche ga-enyere ụmụakwụkwọ aka ma mee ka nkụzi na ọmụmụ asụsụ Igbo dị mfe.

N'ikpeazụ, n'ajụjụ nchọcha nke anọ, site n'ụsa miin, ndị nchọcha chọpụtara na e nweghị ọtụtụ akwụkwọ ọgụgụ Igbo n'ọba akwụkwọ. Okafor (2016) kọwara nke a, ebe ọ rụtụrụ aka na e nweghị ọtụtụ akwụkwọ e ji amụ ihe ọmụmụ na nchọcha n'asụsụ Igbo n'ọba akwụkwọ mahadum ụfọdụ. Inwe ọtụtụ akwụkwọ ọgụgụ n'ọba akwụkwọ ga-enyere ụmụakwụkwọ aka ime nke ọma n'asụsụ Igbo. Oba akwụkwọ kwesịkwara inwe ebe ga-abata ọtụtụ ụmụakwụkwọ n'otu oge iji nọọ mee nchọcha n'asụsụ Igbo.

Mmechi

Mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ asụsụ Igbo agaghị adị ire ma ọ bụrụ na elebaghị anya n'ihe ndị a chọpụtara ma chọọ ụzọ a ga-esi dozie ihe ndọghachi azụ nke metụtara asụsụ Bekee, laabụ asụsụ, ịntaneetị na ọba akwụkwọ gbara ọmụmụ asụsụ Igbo gburugburu. A ga-akwalite ezi mmeta nke ọma n'ọmụmụ asụsụ Igbo ma ọ bụrụ na ndị niile ihe gbasara ọmụmụ asụsụ Igbo metụtara ga-agbalị hụ na ha tinyere ihe niile a chọpụtara na nchọcha a n'ọrụ.

Ntụnye Aro

Site na nchọpụta ndị nchọcha nwetara n'ihe nchọcha a, ha na-atụnye aro ndị a:

1. Ọ dị oke mkpa iji naanị asụsụ Igbo akụzi ihe ma ghara ịgwa ya Bekee oge a na-eme ihe ọmụmụ asụsụ Igbo.
2. Ndị nkụzi ga-agba mbọ iwepụta ohere ha ga-eji na-akụziri ụmụakwụkwọ ihe na laabụ asụsụ.
3. Ndị Gọọmentị na ndị isi ụlọakwụkwọ ga-agbalị hụ na igwe kọmputa na ịntaneetị dị n'ụlọakwụkwọ dị iche iche. Ha ga-agbakwa mbọ hụ na o nwere ọkụ latiriki o ji arụ ọrụ.
4. Ndị isi ụlọakwụkwọ na ndị isi ngalaba ga-agbalị rụọ ọba akwụkwọ buru ibu ga-abata ọtụtụ ụmụakwụkwọ n'otu oge. Nke a ga-eme ka ụmụakwụkwọ nwee ohere ime nchọcha ha nke ọma.

Nchịkọta Nchọcha

Nchọcha a gbadoro ụkwụ n'ịchọpụta mmetụta gburugburu na mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ asụsụ Igbo na Mahadum Naịjirịa, Nsụka na Steeti Enugwu. O lebara anya kpọmkwem n'ihe ndị nọ na gburugburu ụmụakwụkwọ nke gụnyere: asụsụ Bekee, laabụ asụsụ, ịntaneetị na ọba akwụkwọ. Ajụjụ nchọcha anọ ka e ji mee nchọcha a. ụmụakwụkwọ dị iri isii ka eji nọchite anya

ụmụakwụkwọ na-eme ihe ọmụmụ asụsụ Igbo ndị ọnụ ọgụ ha dị narị abụọ na iri ise na atọ. Ngwa nchọcha e ji mee nchọcha a bụ ajụjụ ederede njụmaza nke dị iri abụọ n'ọnụ ọgụ. Ajụjụ nchọcha ọbụla nwere ajụjụ ise mejupụtara ya. E zipụtara ajụjụ nchọcha ndị a na tebulu na tebulu. Ọ bụ site n'ụsa ajụjụ dị iche iche ndị nza ajụjụ nyere ka ndị nchọcha nọrọ hazie data nchọpụta a ma tụgharịa ya n'ụdị miin.

Nrụaka

Agbedo, C. U. (2003). *Language and mind: An introduction to psycholinguistics (2nd ed.).* Nsukka: ACE Konsult.

Agbo, E., Eze, M., & Agbo, M. (2015). Etu gburugburu si emetụta ọmụmụ asụsụ Igbo n'ebe ụmụakwụkwọ n'ogo sekọndịrị nta dị n'okpuru ọchịchị Udenu dị n'Enugwu Steeti. Unpublished B.Ed. Project, University of Nigeria Nsukka.

Asonye, E. (2013). UNESCO prediction of the Igbo language death: Facts and fables. *Journal of Linguistic Association of Nigeria,* 16(1&2), 91-98.

Eze, S. & Eze, C. (2008). Using Nigeria indigenous language to promote science and technology application. A paper presented at the 4th annual conference of Igbo Studies Association held at the University of Nigeria, Nsukka. FRN (2004). National policy on education. Lagos: Federal Government of Nigeria Press.

Ikekeonwu, C. I. & Nwadike, I. U. (2004). *Igbo language development*. *A metalanguage perspective.* Enugu: Cidjap press.

Ishiwu, P. & Ugwuanyi, E. (2016). Mmetụta gburugburu ụmụakwụkwọ na-emetụta ọmụmụ asụsụ Igbo izugbe n'ogo junịọ sekọndịrị na zoon mmụta Obolo Afọ. Unpublished B.Ed. Project, University of Nigeria, Nsukka.

Nwadike, I. U. (2002). *Igbo language in education: A historical study*. Obosi: Pacific Publishers.

Nwodo, C. S. (2008). *Applied English linguistics: An introductory approach*. Enugu: Liben Press.

Nworgu, B. G. (2015). *Educational research: Basic issues and methodology (3rd ed.).* Nsukka: University Trust Publishers.

Obiano, E. (2008). *The effect of environment towards learning*. Nsukka: MBE Publishers.

Okafor, S.O. (2008). *Akanka n'agụmagụ*. Enugu: Joe Hills Production.

Omego, C. U. (2014). Influence of environment on a child's acọuisition of English as a second language and the gradual eụtinction of Nigerian languages. *An International Journal of Arts and Humanities*, 3(3), 146-161.

Onwuka, G. T. (2012). Factors affecting students performance in Igbo language senior secondary school certificate eụaminations. *Institute of Education Journal, University of Nigeria, Nsukka,* 23(1), 86-87.

Opara, C. G. (2016). Language and culture as conflict resolution tools: Rethinking English as lingua franca. *British Journal of English Linguistics*,4(5),11-15.

Scortt, S. (2012). Meaning of academic performance. http://www.ehow.com/about-6398585-

Skinner, B. F. (1957). *Verbal behaviour*. New York : Appleton-Century Crofts

Ugwu, C. I. & Eze, D. C. (2006). Etu gburugburu si emetụta ọmụmụ asụsụ Igbo n'ebe nwatakịrị nọ n'okpuru ọchịchị Udenu dị n'Enugwu Steeti. Unpublished B.Ed. Project, University of Nigeria, Nsukka.

Wikipedia (2016). Igbo people. https://wikipedia.org/wiki/igbopeople.